# Mmetụta Jenda na Mmeta Nke Ọma Ụmụ Akwụkwọ Praịmarị ndị e ji Ngwa Nkụzi Nụrụlere kụziere Agụmagụ Ọdịnaala Igbo na Zoonu Mmụta Nsụka

**Si n'aka**

**Ewelum, Chinyelum Patricia**
Department of Arts Education
Faculty of Education
University of Nigeria, Nsukka
+2348035832673, chinyelumewelum2@gmail.com

**na**

**Ezema, Chinenye Anthonia**
Humanities Unit, School of General Studies
University of Nigeria, Nsukka
+2348037728086, chinenye.ezema@unn.edu.ng
(Corresponding Author)

**Ụmịedemede**

Nchọcha a lebara anya na mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ praịmarị ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo na zoonu mmụta Nsụka.Nchọcha a tulekwara jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị n'agụmagụ ọdịnaala Igbo dị ka o si metụta ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere na ndị ụmụ akwụkwọ e jighị ngwa nkụzi nụrụlere kụziere. Otu ajụjụ nchọcha na otu ụmaokwu bụ ihe nyere aka maka nchọcha a. Ụdị nchọcha a kwazị 'experimental' ka a gbasoro mee nchọcha a. Ọnụọgụ e ji mee nchọcha bụ ụmụ akwụkwọ dị puku ise, narị abụọ na asaa (5,207) ebe ndị e seere dị narị abụọ na iri abụọ (220). Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha bụ

Mmetụta Jenda na Mmeta Nke Ọma N'agụmagụ Ọdịnaala Igbo (MJMNỌNỌI) na Ngụkọ Mmasị na Jenda Ụmụ Akwụkwọ N'agụmagụ Ọdịnaala Igbo (NMJỤANỌI). Ihe e nwetara na data ka e ji wee zaa ajụjụ nchọcha na ụmaokwu. E ji miin na ndịpụ n'izugbe wee zaa ajụjụ nchọcha ma werekwa akara ntụ 0.05 nwalee ụmaokwu. Ihe a chọpụtara na nchọcha a gosiri na ụmụ akwụkwọ ụmụ nwoke na ndị nwaanyị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kuziri agụmagụ ọdịnaala Igbo nwere mmasị ma meta nke ọma n'agụmagụ ọdịnaala Igbo karịa ndị otu ha e jighị. Site na nchọpụta nchọcha a, e kpebiri ka e jiri ngwa nkụzi nụrụlere kụziere ụmụ akwụkwọ praịmarị agụmagụ ọdịnaala Igbo ka ha wee nwee ike na-emeta nke ọma na ya.

**Ọkpụrụkpụ Okwu:** Jenda, Mmeta Nke Ọma, Ngwa Nkụzi Nụrụlere, Agụmagụ Ọdịnaala Igbo

## Mkpọlite

N'ọmụmụ agụmagụ ọdịnaala Igbo, tupu nwata emeta nke ọma, ọ ga-enwe mmasị n'asụsụ Igbo na ọdịnaala Igbo. Nke a ga-eme na mgbe onye nkụzi na-akụziri nwata asụsụ na ọdịnaala Igbo dị iche iche, nwata ahụga-enwe mmasị na ha ma na-ege ntị nke ọma. Nwata na-enweghị mmasị n'asụsụ Igbo agaghị ege ntị nke ọma n'ihe onye nkụzi na-akụzi. Mgbe nwata nwere mmasị n'agụmagụ ọdịnaala, ọ ga-enwekwazị mmasị ikiri egwuregwu Igbo a na-eme n'onyoonyo. Nwata nwere mmasị n'agụmagụ ọdịnaala Igbo ga-achọ ịkọ akụko oge ọ bụla, mgbe nke a na-eme, nwata ahụ ga-ama ikwu okwu fere fere, ihere ga-apụ ya n'ihu, ọ gaghị atụ egwu ikwu okwu n'ọgbọ.

Mmasị bụ ntọala ihe ọmụmụ niile. Nke a na-egosi mmekọrịta dị n'etiti mmasị na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ. Wigfield (2010) kọwara mmasị dị ka otu ihe na-egosipụta mmeta nke ọma. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ihe

mmadụ enweghị mmasị na ya, ọ gaghị emeta ya nke ọma. Akaneme na Onyeabor (2011) hụrụ mmasị dị ka ihe na-akpọlite mmụọ nwata n'ige ntị ma dị uchu ịmụta ihe. Chukwu (2002) kọwara na mmasị bụ omume na-esi na nwata apụta na-amaghị ama nke na-eme ka ọ dị nkwadebe ịmụ akwụkwọ ma ọ bụ ihe ọzọ dị iche iche. N'aka nke ọzọ, Nworgu na Okereke (2011) hụrụ mmasị dị ka mkpọlite mmụọ ma ọ bụ ihe nke na-agbado ụkwụ na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ. Nke a na-egosi na ọ bụrụ na nwata chọrọ ịmata ihe ma ọ bụ ịmụta akwụkwọ, nwata ahụ ga-egosi mmasị o nwere na ya. Mmasị na-egosi otu nwata si dị nkwadobe ime ihe. Ya ka Onyeabor (2001) kọwapụtara na ka mmadụ si amụ ihe na-egosi mmasị o nwere n'ihe ọ na-amụ maka ya.Ọ bụ mmasị bụ ihe na-eme ka mmadụ mebe ihe, tụmadị mgbe o nwere uru ihe ọ na-eme. Nke a dabara n'ihe Ezenwafor (2007) onye kwuru sị na ọ bụrụ na nwata akwụkwọ nwere mmasị n'akwụkwọ ọ na-agụ, na-aga akwụkwọ oge ọ bụla n'oge n'agbanyeghị ma mmiri ma ọ bụ anwụ na-amụ, nọrọ na-ege ntị n'ihe onye nkụzi na-akụzi na klaasị, soro na-eme ihe niile a na-eme n'ụlọ akwụkwọ, were ule ya kpọrọ ihe, ga-emeta nke ọma n'akwụkwọ ya.

Mmasị bụ alakara mkpọlite mmụọ. Maka ya ka Nnachi (2007) kọwapụtara n'echiche ya sị na mmasị na-enye nnukwu aka n'ihe ọmụmụ ya na ọtụtụ mmadụ. Ọ gara n'ihu sị na enweghị mmasị na-eme ka nwata akwụkwọ daghachi azụ n'akwụkwọ ya, site na ya ghara ịgazị akwụkwọ. Nke a bụ eziokwu n'ihi na nwata enweghị mmasị n'akwụkwọ ma n'ọrụ ọmụmụ anaghị emeta nke ọma. Ya bụ na mmasị dị mkpa n'ịkọwanwu agamnihu nwata ma ọ bụ afọ ojuju ya n'ihe ọ na-eme ugbu a ma ọ bụ ọdịnihu. Mmasị na-egosi ihe nwata chọrọ na ihe ọ chọghị, nke na-eme ka nwata gosi mmasị ya n'ihe ọ na-eme ma ọ bụ ọ na-amụ tụmadị n'agụmagụ ọdịnaala Igbo.

E nwere ngwa nkụzi dị iche iche e ji akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ. Ngwa nkụzi na-eme ka nkụzi dị mfe ma kwe nghọta ọsọ ọsọ. Ọ na-enyere onye nkụzi aka ime ka uche ụmụ

akwụkwọ dị n'ihe ọ na-akụzi. Offorma (1994) kewara ngwa nkụzi ụzọ anọ pụtara ihe. Ọ sị na ha bụ ngwa nkụzi dị n'ụdị mmadụ: nke gụnyere onye nkụzi, ụmụ akwụkwọ, ndị nwere mmụta pụrụ iche na ndị niile na-arụ ọrụ n'ụlọ akwụkwọ. Ndị dị n'ụdị akọrọngwa ka o kewara n'ụdị e nwere ike imetu aka na ndị e nweghị ike imetu aka ma sikwa n'imi. Ngwa nhụrụ anya, nnụrụ na ntị na nụrụlere. Ngwa nhụrụ n'anya a dị ka Offorma (1994) sị kọwaa bụ ngwa nkụzi ndị e ji anya elele, e nwere ike imetụ aka ma sikwa n'imi. Ngwa nhụrụ anya gụnyere mgboode, eserese aja, prọjektọ, ngwa labọratọrị na akwụkwọ. Ngwa nnụrụ na ntị bụ ndị e ji ntị egere ma metụkwa aka. Ha gụnyere redio, laabụ asụsụ na rekọda. Ngwa nụrụlere bụ nke a ga-ahụ anya, nụ na ntị ma metukwa aka. Ha gụnyere fiim, tiivii, video, teepu nateepu rekọda.

Ngwa nkụzi nụrụlere nwere ngwa e ji anụ ihe na nke e ji ahụ ihe na nkụzi na ọmụmụ. Ngwa 'nụrụ' pụtara nke e ji anụ ihe ebe ngwa 'lere' pụtara nke e ji ahụ ihe. Nke a gosiri na ngwa nkụzi nụrụlere jikọtara ngwa e ji anụ ihe na nke e ji ahụ ihe. Ọ na-eme ka nwata nwee ọgụgụ isi, cheta ihe ọsọ ọsọ, chemie echiche nke ọma, mara ekwu okwu ma sonye n'ihe na-aga na gburu gburu ya. Arua (2003) kọwapụtara na ngwa nkụzi nụrụlere dị ka ngwa ndị ahụ nwere ike izipụta nghọta ma ọ bụ mpụtara na-agụghị ihe ọ bụla. Ọ sị na ebe ọ bụ na ihe niile banyere nkụzi na ọmụmụ gbadoro ụkwụ n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ, ụdị ngwa nkụzi a nke na-akpalite ikike ịhụ ụzọ, ịnụ ihe na iche echiche dị nnukwu mkpa maka ịchụ nta mmụta.

Ngwa nkụzi nụrụlere bara ọtụtụ uru n'ebe ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ nọ. N'aka nke onye nkụzi ọ na-eme ka onye nkụzi belata oke ekwurekwu. Ọzọ kwa, ọ na-eme ka nkụzi ya dị mfe ma kwe nghọta. Ọ bụghị onye nkụzi na-eme ihe ọmụmụ kama ụmụ akwụkwọ sokwa. N'ebe ụmụ akwụkwọ nọ, ọ na-eme ka ha nwee nka ịge ntị, mee ka ha nwe ike ichemi echiche, nka ọsụsụ, mee ka ha nwee ike ịkọwapụta ihe

ha hụrụ ma nwee ike ikuziri ụmụ akwụkwọ ibe ha ihe n'ụlọ akwụkwọ. N'ịkụzi asụsụ na n'ịmụ asụsụ, ngwa nkụzi nụrụlere na-egosi ọka ibe nye ngwa nkụzi ndị ọzọ.

E wezuga mmasị na mmeta nke ọma, ihe ọzọ ga-enye aka n'ọmụmụ agụmagụ ọdịnaala Igbo bụ Jenda. Usoro e ji akụzi agụmagụ ọdịnaala Igbo na-abụ otu nghọta nye nwoke na nwaanyị. Keller (1991) hụrụ jenda dị ka omenaala ndị obodo ji ekewa ndịiche dị na mmadụ dị ka otu e si eme omume, otu e si eche echiche, otu e si aghọta ihe, otu e si akpa agwa n'etiti nwoke na nwaanyị. Nke a bụ eziokwu n'ihi na ọ bụghị otu nwoke si eche echiche, eme omume, a ghọta ihe ka nwaanyị si eme. Offorma (2005) na nkọwa ya kwetara na jenda bụ mmekọrịta dị n'etiti nwoke na nwaanyị. Ọ sị na e nwere ndịiche dị na jenda n'ọnọdụ abụ m nwoke na ma ọ bụ nwaanyị. Abụ m nwoke, abụ m nwaanyị bụ mburupụta ụwa mmadụ ebe jenda bụ ihe ndị obodo kwekọrịtara bụ ihe e ji amata ndịiche dị na nwoke na nwaanyị. A bịa n'ihe gbasara jenda n'ọmụmụ agụmagụ ọdịnaala Igbo, Igbokwe (2007) kọwara na e nwere ndịiche dị na nwoke na nwaanyị nke na-emetụta ọmụmụ agụmagụ ọdịnaala Igbo. Ọ sị n'echiche nke ya na ụmụ nwaanyị ka amụ asụsụ ọsọ ọsọ ma kọwanwuo onwe ha n'asụsụ karịa ụmụ nwoke.

Mmeta nke ọma nwere ngosipụta n'ebe jenda nọ. Jenda bụ isi sekpu ntị dị na mmadụ n'obodo nke na uru ọ bara kwesịrị ileba anya na mmetụta ndị obodo. Ọ bụrụ na e lebara nwoke na nwaanyị anya otu e si lebaa anya n'ebe ọmụmụ akwụkwọ dị, ọ gara eme ka a ghara ịma ndịiche dị na ha abụọ n'ụlọ, n'ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ n'obodo. Obi (2010) hụrụ jenda dị ka otu nwoke na nwaanyị si nwee mmekọrịta, ụdị ọrụ dị iche ha na-arụ nke na-egosi ihe ha bụ n'obodo. Otu aka ahụ ka Hannan (2002) hụrụ jenda dị ka nkwenye na ohere ndị obodo nwere n'abụ m nwoke, abụ m nwaanyị dị na mmekọrịta dị n'etiti ụmụ nwaanyị na ndịiche dị n'ụmụ nwoke dị ka omenaala si wee dị. Jenda dị ka otu o si gbasata nkụzi na

ọmụmụ ụmụ akwụkwọ n'agụmagụ ọdịnaala Igbo na praịmarị gbadoro ụkwụ na mmasị na mmeta nke ọma.

Ụfọdụ omume na-ekewa ụmụ nwaanyị n'ebe ụmụ nwoke nọ bụ site n'amamihe ha nwere n'ihe gbasara ọmụmụ. Reinhard (1998) kọwapụtara na ndị sayensi chọputara na ụfọdụ omume na-ekewa nwoke na nwaanyị bụ site na ndịiche dị otu ụbụrụ ha si eto. O nyere ịmaatụ sị na ụbụrụ ụmụ nwaanyị ka eto n'ihe gbasara asụsụ ebe ụbụrụ ụmụ nwoke ka eto n'ihe a na-ahụ anya dị ka (ito ogo, ịgba ụgba) na ihe ndị ọzọ. Nke a gosiri na e nwere ike ịchọputa sọbjektị nwoke ma ọ bụ nwaanyị nwere ike imeta nke ọma tụmadị n'agụmagụ ọdịnaala Igbo. Yule (2014) kwenyere na asụsụ ụmụ nwoke nwere ndịiche dị na nke ya na ụmụ nwaanyị. Ọ sị na olu ụmụ nwoke na-ada ụda ebe nke ụmụ nwaanyị na-adị obere.

Na Naịjirịa a, e nwere ndị kwe na ndị ekweghị na ọ bụ eziokwu na jenda nwere mmetụta nye mmeta nke ọma n'asụsụ. Ya ka ndị nchọcha ụfọdụ dị ka Offorma (1994) na Umo (2001) ji kwenye na ụmụ nwaanyị ka eme nke ọma n'asụsụ karịa ụmụ nwoke. Ụfọdụ ndị nchọcha ọzọ dị ka Akabogu (2002), Oluikpe (2004), Igbokwe (2007), Agada (2008) Omeje (2008) na Torty (2010) enweghị nchọpụta ha chọpụtara na-egosi na nwoke na nwaanyị nwere ndịiche dị na mmeta nke ọma n'asụsụ. Site n'ekwekọrịtaghị ndị nchọcha n'ihe gbasara mmeta nke ọma ụmụ nwoke na ụmụ nwaanyị n'asụsụ mere ka a ghara ịma jenda ka emeta nke ọma n'asụsụ, maka ihi ya, a ka nwekwara mkpa ọ dị ime nchọcha ihe gbasara mmeta nke ọma jenda n'ọmụmụ asụsụ na agụmagụ ọdịnaala ọ kachasị na Naịjirịa. Nchọcha a chọrọ imejupụta nke a.

Ya ka nchọcha a ji lebaa anya na mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ praịmarị ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo na zoonu mmụta Nsụka.

**Nsogbu Nchọcha**

Ngwa nkụzi nụrụlere bụ ngwa jikọtara ngwa e ji ahụ ihe na ngwa e ji anụ ihe. Ọ bụ ngwa nkụzi nwere ike ime ka ụmụ akwụkwọ were ntị ha nụ akụkọ ifo ma ọ bụ akụkọ omenaala ndị ọzọ ga, wekwara anya hụ ihe megachara n'akụkọ ahụ. Ndị nchọpụta ekwuola, na oge nwata na-ahụ ma na-anụkwa ihe a na-akụzi, na ọ na-akpalite mmụọ nwata elu itinye uchu n'ihe a na-eme. Nke a nwere ike ime ka nwata ahụ nwee mmasị n'ihe a na-akụzi ma metakwa nke ọma n'ihe a na-akụzi n'ule. N'agbanyeghị na ngwa nchọcha nụrụlere nwere ike inye aka n'ụdị ahụ, e nwebeghị nchọcha emerela gbasara mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ nọ na praịmarị ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo na zoonu mmụta Nsụka. N'aka nke ọzọ, a chọpụtaghị mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ praịmarị n'agụmagụ ọdịnaala Igbo na zoonu mmụta Nsụka.

**Mbunuche Nchọcha**

Mbunuche izugbe nchọcha bụ ịchọpụta mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ praịmarị ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo na zoonu mmụta Nsụka

Nchọcha a lebara anya kpọm kwem na:

1. Ịchọpụta mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo.

**Ajụjụ Nchọcha**

Ajụjụ nchọcha a ka ndị nchọcha guzobere ka o duziri nchọcha a ụzọ:

1. Kedu mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo?

**Ụmaokwu**

Ụmaokwu nke a ka ndị nchọcha yiwere maka nchọcha nke a nwalere n'akara ntụ 0.05.

1. **$Ho_1$** Enweghị ezigbo ndịiche miin dị na mmetụta ngwa nkụzi na jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo.

## Usoro Nchọcha

N'ebe a, e lebara anya n'usoro na ụzọ e siri enweta data maka nchọcha. Ha gụnyere: ụdị nchọcha, ndị e jiri mee nchọcha, nsere na usoro nsere, ngwa nchọcha, nnyocha ngwa nchọcha, usoro nnweta ihe nchọcha na usoro nhazi ihe nchọcha.

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ nke nchọpụta Kwazai experimental 2x2x2 nke atụmatụ nchọcha klaasị nọrọ onwe ya bụ ihe e jiri mee nchọcha. Ụdị nchọcha a dịka Fraenkel na Wallen (2003), ha sị na nchọcha nke nchọpụta bụ nke ga-enye ohere ka onye nchọcha nwe ike ịhazi ma ọ bụ gbakwụnye nnwale mgbamonwe. Ụzọ usoro ihe ọmụmụ a ga-adị ụzọ abụọ: Nụrụlere ($Ụ_1$) na nke e depụtara n'akwụkwọ ($Ụ_2$), ebe jenda dị ụzọ abụọ: Nwoke ($y_1$) na nwaanyị ($y_2$).

Ebe nchọcha bụ na zoonu mmụta Nsụka dị na Steeti Enugwu. Zoonu mmụta a jikọtara okpuru ọchịchị atọ ọnụ. Ha bụ Igbo-Etiti, Nsụka na Ụzọ-Ụwanị. Zoonu a nwere ụlọ akwụkwọ dị n'ime obodo na obodo mepere emepe, Zoonu a nwere obosara ala ebe a na-akọ ugbo dị ka ji, akpụ, osikapa, ede na ihe akụkụ ndị ọzọ dị ka ose, achịcha, aṅara, ọkwụrụ, agbụgbụ, ọka na akịdị. Ha na-achụkwa nta. Ụmụ nwaanyị bi na ya na-azụkarị ahịa. Omenaala ha yitabara nke mere na ha na-alụkọrịta onwe ha. Ha na-agba mbọ ịzụ ụmụ ha n'akwụkwọ karịa ịzụ ahịa. N'agbanyeghị na zoonu ndị a na-alụkọrịta onwe ha, ha nwekwara ndịiche dị n'etiti onwe ha.

Ndị Igbo-Etiti ekwetaghị na ndị Nsụka na ndị Ụzọ-Ụwanị na-anwa oke ha n'ịgụ akwụkwọ na ịzụ ahịa. Ndị Ụzọ-Ụwanị nwere obosara ala karịa Nsụka na Igbo-Etiti ebe ha na-akọpụta osikapa.

Ndị e ji mee nchọcha bụ ụmụ akwụkwọ praịmarị nọ n'ogo ise na Zoonu Mmụta Nsụka bụ ndị gọọmentị nwe. Ha dị puku ise, narị abụọ na asaa (5,207). N'ọnụọgụ ụmụ akwụkwọ ndị a dị puku abụọ, narị ise na itoolu (2,509) bụ ụmụ nwoke ebe puku abụọ, narị isii iri itoolu na asatọ (2,698) bụ ụmụ nwaanyị. Ụlọ akwụkwọ praịmarị dị na zoonu mmụta Nsụka dị narị abụọ iri atọ na itoolu (239). N'ime ụlọ akwụkwọ mebere zoonu a, iri abụọ na otu (21) bụ ụlọ akwụkwọ dị n'obodo mepere emepe ebe narị abụọ iri asatọ bụ ụlọ akwụkwọ dị n'ime obodo (Enugu State Universal Basic Education Board (EMIS) Data Bank, 2020/21 Annual School Census, ASC).

Ndị nchọcha seere ụmụ akwụkwọ ọnụọgụ ha dị narị abụọ na iri abụọ (220) ogo ise n'ime klaasị anọ nọrọ onwe ha. Ndị nchọcha ji uche ya wee họrọ ụlọ akwụkwọ anọ a maka na ha dabara na ebumnobi nchọcha a.

Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha a dị ụzọ abụọ. Ha bụ: Mmetụta Jenda na mmeta Nke Ọma N'agụmagụ Ọdịnaala Igbo (MJMNỌNỌI) na Ngụkọ Mmasị na Jenda Ụmụ Akwụkwọ N'agụmagụ Ọdịnaala Igbo (NMJỤANỌI). MJMNỌNỌI dị njụmaza iri abụọ ebe NMJỤANỌI nwekwara njụmaza iri abụọ. Ndịna ọ bụla nwere ihe nlere anya KI – kwesịrị ike, K – kwere, J - jụrụ, JI - jụsịrị ike tinyere ntụ enyemakara 4, 3, 2, 1 n'otu n'otu.

Ngwa nchọcha a ka e nyere ndị ọkammụta nọ na ngalaba mmụta nka na ngalaba "Science Education" (Measurement and Evaluation Unit). Ha niile na-akụzi na Mahadum Naịjirịa, Nsụka. Ndị ọkammụta a ka a rịọrọ ka ha lebaa anya n'ajụjụ a jụrụ, o kwesịrị ụmụ akwụkwọ nọ n'ogo

ise ịmata ma ajụjụ nnwale ngụkọ e nyere ha ọ dabara, otu e si jụọ ajụjụ na oge e nyere ha ọ dabara. Ndị ọkammụta lebachara anya hazie nke edoghị ha anya ma kweta na ngwa nchọcha dabara. Ngwa nchọcha a ka a haziri site na ndụmọdụ ndị ọkammụta ka o wee kwe ụmụ akwụkwọ ịghọta.

Ngwa nchọcha MJMNỌNỌI ka ndị nchọcha nyere ụmụ akwụkwọ dị iri abụọ nọ n'ogo ise na 'Community Primary School Aji' dị n'okpuru ọchịchị Mgbago ugwu Igbo-Eze, Enugu Ezike, ka o wee mata ma ọ bụ ezigbo ngwa nchọcha. Nke a bụ maka na Mgbago ugwu Igbo-Eze esoghị n'ebe e ji mee nchọcha mana ya na ebe a ga-eji mee nchọcha nwere myiri. Mgbe ụmụ akwụkwọ zachara ihe dị na ngwa nchọcha, onye nchọcha MJMNỌNỌI lelere ndịgide site n'iji usoro ntụcha data a kpọrọ Kuder-Richardson (K – R 20). Ihe e nwetara n'adịmụ mma ngwa MJMNỌNỌI nchọcha bụ 0.71 ebe NMJỤANỌI ma e nwere ntụkwasịobi ndị nchọcha gbasoro usoro ntụcha data a kpọrọ Cronbacks Alpha Coefficient. Ihe e nwetara n'adịmụ mma ngwa NMJỤANỌI nchọcha bụ 0.882. Ọ na-egosi na adịmụ mma ngwa dabara adaba.

Ndị nchọcha gwakwara ndị isi ụlọ akwụkwọ na nchọcha ha ga-eme agaghị ebutere nghasa klaasị. Ndị nchọcha kọwara ha mkpa na uru nchọcha bara bụ maka otito nke ọmụmụ agụmagụ ọdịnaala Igbo n'ụlọ akwụkwọ ha. Ndị nkụzi na-akụziri ndị ogo ise bụ ndị nnyemaka ndị nchọcha. A kụziri ndị nnyemaka nchọcha ka ha ga-esi wee mee nchọpụta. Ọzụzụ nkụzi a ka e mere n'ụlọ akwụkwọ a họpụtara dị ka etu o si dabara ndị nchọcha. Ọzụzụ a were mkpụrụ ụbọchị anọ, ụbọchị ọ bụla ka ndị nchọcha wepụtara ịzụ otu onye nkụzi n'ime ụlọ akwụkwọ anọ a họpụtara.

## Nchọpụta
## Ajụjụ Nchọcha 1

Kedu mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo?

**Tebulu 1: Miin na ndịpụn'izugbe akara mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọndịnwoke na ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị**

| Jenda | | Nnwale nganihu | | Nnwale nganazụ | | |
|---|---|---|---|---|---|---|
| | Ọnụọgụ | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Miin | Ndịpụ n'izugbe | Akara uru Miin |
| Nwoke | 118 | 50.90 | 9.06 | 57.86 | 6.92 | 6.96 |
| Nwaanyị | 102 | 50.08 | 8.16 | 57.98 | 6.79 | 7.90 |

Tebulu 1 gosiri na ụmụ akwụkwọ ndị nwoke e nyere nnwale nganihu nwetara akara miin mmeta nke ọma 50.90 na ndịpụ n'izugbe 9.06 na nnwale nganazụ akara miin mmeta nke ọma 57.86 na ndịpụ n'izugbe 6.92. N'aka nke ọzọ, ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị e nyere nnwale nganihu nwetara akara mmeta nke ọma 50.08 na ndịpụ n'izugbe 8.16 na nnwale nganazụ akara miin mmeta nke ọma 57.98 na ndịpụ n'izugbe 6.79. Akara uru miin 6.96 bụ maka ụmụ akwụkwọ ndị nwoke ebe 7.90 bụ maka ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị. Nke a gosiri na ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị nwetakarịrị n'akara miin mmeta nke ọma karịa ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na nnwale nganazụ.

**$Ho_1$:** Enweghị ezigbo ndịiche jenda na miin mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo.

**Tebul 2: Ntụcha mmekọrịta n'usoro ụmụ akwụkwọ na mmeta nke ọma n'agụmagụ ọdịnaala Igbo.**

| Nzipụta | Ụdị III mgbakọ ndịna mkpị | Df ogo nwere onwe | Miin Ndịna Mkpị | F | Sig | Myinaba Eta Ndịna Mkpị |
|---|---|---|---|---|---|---|
| Ndezi agba ọhụụ | 19175.932[a] | 4 | 4793.983 | 219.728 | .000 | .204 |
| Mgbachi | 111124.503 | 1 | 111124.503 | .226 | .600 | .598 |
| Nnwale nganihu | 96.006 | 1 | 96.066 | 32.794 | .000 | .001 |
| Ngwakọta | 11397.930 | 1 | 11397.930 | 9.976 | .002 | .532 |
| Jenda | 3467.395 | 1 | 3467.395 | 12.325 | .001 | .143 |
| Ngwakọta Jenda | 4283.594 | 1 | 4283.594 | | | .054 |
| Ndejọ | 74725.318 | 215 | 347.560 | | | |
| Mgbakọ | 147526.000 | 220 | | | | |
| Ndezi Mgbakọta | 93901.250 | 2019 | | | | |

a. R Mgbakọ ndịna mkpị = .204 (Mbugarị R ndịna mkpị .189)

Tebulu 2 gosiri na mgbakọta F nke bụ (32.794) maka usoro mmetụta jenda na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'agụmagụ ọdịnaala Igbo nwere nnọdebe akara 0.000. Ebe ọ bụ na akara nnọdebe a bụ 0.000 pekarịrị akara ntụ 0.05, a nabataghị ụma okwu. Nke a gosiri na e nweghị ezigbo ndịiche na miin mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ ndị e ji nchọpụta kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo na ndị e ji ntụnyere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo. Ụmụ akwụkwọ e ji nchọpụta kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo ka rita erere karịa ndị ụmụ akwụkwọ e ji ntụnyere kụziere.

**Nkata**

Nchọcha e mere gosiri na ụmụ akwụkwọ e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo mere nke ọma karịa ndị ụmụ akwụkwọ e jighị ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo. Ihe a chọpụtara na tebulu1 na-egosi na ụmụ akwụkwọ e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo ka nwee mmasị karịa ụmụ akwụkwọ e jighị ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo. Nke a gosiri na o kwesịrị ka e jiri ngwa nkụzi nụrụlere kuzibe agụmagụ ọdịnaala Igbo ka ụmụ akwụkwọ nwee mmasị n'akụkọ ifo, omenaala, akụkọ agbụrụ, ekele, iwu obodo na nsọpụrụ. Ma e lee anya a hụ na e jighị ngwa nkụzi nụrụlere a kụzi agụmagụ ọdịnaala Igbo na praịmarị mere oge ụfọdụ, ụmụ akwụkwọ anaghị enwe mmasị n'agụmagụ ọdịnaala Igbo bụ nke Nwoji (2002) kọwapụtara na ngwa nkụzi nụrụlere na-akpalite akụkụ ahụ ọnụnụ na ọhụhụ otu oge. Nke a gosiri na nụrụlere kwesịrị iji kuziri ụmụ akwụkwọ praịmarị agụmagụ ọdịnaala Igbo n'ihi n'ụmụ akwụkwọ na-enwe mmasị n'ihe a na-ekiri ekiri. Gapal (2010) kọwakwara na ngwa nkụzi nụrụlere na-eme ka nkụzi na ọmụmụ dị ire ma kwalitekwa ọmụmụ na mmụta n'ime ụmụ akwụkwọ.

N'ịga n'ihu, ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo mere nke ọma karia ụmụ akwụkwọ ndị nwoke e jighị ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo. E lee anya na tebulu 1, a ga-ahụ na ụmụ akwụkwọ ndị nwaanyị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo mere nke ọma na nnwale nganazụ, ebe ụmụ akwụkwọ ndị nwoke e jighị ngwa nkụzi nụrụlere e meghị nke ọma na nnwale nganazụ. N'ịkwado ihe dị n'elu ka Encarta (2005) kọwapụtara na mmeta nke ọma bụ nwata ime ihe n'usoro n'usoro dị mma nke ga-eweta ezigbo agamnihu. Ọ sị na mmeta nke ọma nwata ma ọ bụ agamnihu ya ga-esite na nnwale e nyere ya n'ihe ọ na-eme, ya na akara maakị o nwetara ga-egosi mmeta nke ọma.

Nchọpụta ihe ọmụmụ a gosiri na o kwesịrị ka e jiri ngwa nkụzi nụrụlere kuzibere ụmụ akwụkwọ praịmarị agụmagụ ọdịnaala Igbo nke ga-eme ka mmamasụsụ ha na-aga n'ihu ma meta nke ọma n'omenaala Igbo. Dị ka Schnizer (2005) kọwapụtara na mmeta nke ọma nwata nwere na nnwale bụ nnwale e wepụtara iji nwale nwata site na mmamasụsụ nwata nwere n'ọmụmụ. Nchọcha Achebe (2005) kwadoro ihe a chọpụtara na nchọcha a n'ihi na o gosiri na ịgbaso usoro onyoonyo wee kụziere ụmụ akwụkwọ amụmamụ ụda na-eme ka ụmụ akwụkwọ nwee mmasị ma meta nke ọma karịa iji usoro lekchọ kuzie. Nchọcha ya na-egosikwa na ịgbaso usoro onyoonyo kuzie ihe na-eme ka ụmụ akwụkwọ cheta ihe ha mụrụ, mmekọrịta na mkparịta ụka n'etiti onwe ha karịa usoro lekchọ. Gowon (2009) kwadokwara n'iji tiivii na redio kuzie ka e si asụ ma na-ede asụsụ Bekee. Rizọọtụ na-egosi na ụmụ akwụkwọ na-ege ntị na redio ma na-ege ntị na tiivii ka eme nke ọma n'ọsụsụ Bekee karịa ndị adịghị ege ntị na redio na tiivii. Nchọcha Amoke (2011) kwadokwara ihe a chọpụtara n'ihi na o gosiri na ụmụ akwụkwọ na-enwe nhịamahụ n'ọmụmụ ụdaolu maka na e nweghị ngwa nkụzi zuru oke e ji akụzi ya. Nchọcha ya metụtara ejighị ezigbo ngwa nkụzi kuzie agụmagụ ọdịnaala Igbo mere na ụmụ akwụkwọ praịmarị enweghị mmasị ma meta nke ọma n'agụmagụ ọdịnaala Igbo. Ya bụ, ọ dị mkpa iji ngwa nkụzi nụrụlere kuzibe agụmagụ ọdịnaala Igbo na praịmarị ka ụmụ akwụkwọ nwee mmasị, cheta ihe ha mụrụ, mmekọrịta na mkparịta ụka n'etiti onwe ha, ma meta nke ọma n'agụmagụ ọdịnaala Igbo maka nkwalite ọmụmụ.

## Mmechi

A chọpụtara na ezi mmekọrịta n'etiti jenda na mmeta nke ọma na-adị n'etiti ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị e ji ngwa nkụzi nụrụlere karịa ndị ụmụ akwụkwọ ndị nwoke na ndị nwaanyị e jighị ngwa nkụzi nụrụlere kụziere agụmagụ ọdịnaala Igbo.

## Mpụtara

Site na mkpokọba ihe a chọpụtara na nchọcha a, mpụtara nchọcha ka a kọwara ma gosikwa na ụmụ akwụkwọ ụmụ nwoke na ụmụ akwụkwọ ụmụ nwaanyị e ji ngwa nkụzi nụrụlere kuziri agụmagụ ọdịnaala Igbo nwere mmasị ma meta nke ọma n'agụmagụ ọdịnaala karịa ndị ụmụ akwụkwọ nwoke na ụmụ nwaanyị e jighị ya kụziere. Nke a gosiri na a ga-eji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere ndị ọ bụla ka aṅụrị ọmụmụ zuo oke.

## Ntụnye Aro

Site n'ihe e nwetara na nchọcha e mere, ndị nchọcha tụpụtara aro ndị a:

1. Ka ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi nụrụlere na-akụziri ụmụ akwụkwọ agụmagụ ọdịnaala Igbo ebe ọ bụ na a chọpụtara na ngwa nkụzi nụrụlere ka dị ire n'ikuzi agụmagụ ọdịnaala Igbo karịa ọnụ nkịtị ma ọ bụ ịgụpụta naanị n'akwụkwọ.
2. Ka ndị nkụzi na-aga ọzụzụ mmụgharị arụmarụ ebe a ga-azụ ha ezigbo ọzụzụ ebe ha ga-eji ngwa nkụzi nụrụlere kuzie agụmagụ ọdịnaala Igbo.
3. Ka a na-eji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere ndị nkụzi a na-azụ na kọleji Kedukeshọn, maka na ọ bụrụ na e jiri ngwa nkụzi nụrụlere kụziere ha, ha ga-enwe mmasị iji ngwa nkụzi nụrụlere kụziere ụmụ akwụkwọ praịmarị agụmagụ ọdịnaala Igbo.
4. Ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụaka ha asụsụ Igbo ma na-akọrọ ha akụkọ ifo n'ụlọ. Nke a ga-eme ka ụmụaka mata na asụsụ Igbo dị mkpa, n'ihi na o nweghị asụsụ ka ibe ya.

## Edesinsibịa

Agada, J.M. (2008). Effect of Close Procedure on Secondary School. Students' Achievement in English Grammar. Unpublished Ph.D Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Akabogu, J.U. (2002). Effect of Secondary School Students Exposure to English registers conteụtual clues in Achievement in Reading Comprehension. Unpublished Ph.D Thesis,University of Nigeria, Nsukka.

Akaneme, I.N. & Onyeabor, N.J. (2011). Influence of Teachers' Classroom Management and Students' Interest on the Entrepreneurial behavior of Students' Implication for Educational Reforms. *Journal of CUDIMAC, 3(1)*, 289 – 301.

Arua, I.N. (2003), How Long? A Synthesis of Research on Academic in Igbo Literature. *TESOL Quarterly*23. http://www.google.com. Retrieved 2011, 20 – 3 – 1.

Chukwu, J.O. (2002). Promoting interest in Mathematics Learning through Local Games. Unpublished M.ED Thesis. University of Nigeria, Nsukka.Ezenwafor, J.I. (2007). Strategies for Stimulating Interest of Students in the Study of Business Studies. *Business Educational Journal, 6(1)*, 167 – 179.

Franenkel, J.R. & Wallen, N.E. (2003). How to Design and Evaluate Research in Education. Retrieved December 23, 2015 from www.infibean.com/Books/info/Jack-R-Fraenkel /How_to_Design_and_Evaluate_Research_in/

Gapal Patit, V. (2010). Importance of Audio-Visual Aids in Teaching Methdology. http://www.articlebase.com/tutoring-articles/ importance-of-visual-in-teaching-methodology-3667855.htm. Nov. 15,2010. (Accessed 26 Feb.

2013).

Hannan, C. (2002). From Concept to Action. Gender Mainstreaming in Operational Activities. *Journal of Curriculum Organization of Nigeria, 8(1)*, 33 –45.

Igbokwe, U.L. (2007). Effects of Cognitive Academic Language Learning Approach (CALLA) on Students' Achievement in Easy Writing. Unpublished Ph.D. Thesis, University of Nigeria, Nsukka.

Keller, E.F. (1991). *Gender and Science*. In H. Therney (ed.) *Women Studies Encyclopedia*. New York: Peter Boderick Books.

Nnachi, R.O. (2007). *Advanced Psychology of Learning and Scientific Enquiry*. Enugu: John Jacob's Classic Publishers.

Nwoji, Q.J. (2002). *Production and Utilization of Teaching Materials.* Enugu: Fulladu Publishing.

Nworgu, I.N. & Okereke, I.G. (2011). Constructivist Instructional Model on Students' Achievement Interest in Biology. *Journal of CUDIMAC. 3(1),* 272 – 280.

Obi, O.P. (2010). Gender Storeoting and Gender Sensitivity: The Need for Curriculum Review. *Journal of Curriculum Organization of Nigeria, 17(2)*, 16 – 22.

Offorma, G.C. (1994). Impact of Teachers' use of Resources on Students' Learning Outcomes in French. *Unpublished Ph.D Thesis, Department of Education, University of Nigeria, Nsukka*.

Offorma, G.C. (2002). Impact of Teachers' use of Resourceson Students' Learning Outcomes in French. *UnpublishedPh.D Thesis, Department Education, University of Nigeria, Nsukka*.Offorma,

G.C. (2005). Language and Gender Lead Paper Presented at the Conference Organized by NATECEP in

Federal College of Education, Omoku, Rivers State.

Oluikpe, E.N. (2004). Effects of English for Academic Purpose (EAP) Method on the Achievement of University of Nigeria Education Students in Expository Writing. *Unpublished Ph.D. Thesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.*

Omeje, M.O. (2008). Effect of Communicative Method on Students' Achievement and Interest in Igbo Letter Writing. *Unpublished Ph.D Thesis, Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka*.

Reinhard, B. (1998). *Report Casts doubt on the Value of Single Sex Schools*. Education Week, 17, 22 – 30.

Schnizer, T. (2005). *Achievement in the first 2 years of School: Pattern and Processes. Monographs of Society for Research in Children Development*, 53, 27 – 42.

Torky, O.U. (2010). Effect of Collaborative Learning Method on Secondary Students' Achievement and Interest in English Language Tenses. *Unpublished Ph.D Thesis, Department of Arts Education, University of Nigeria, Nsukka*.

Umo, U.C. (2001). Effect of Games on the Achievement and Interest of Junior Secondary School Students in Igbo Grammar. *Unpublished Ph.DThesis, Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka*. Wigfield, W.A. (2010). *Students' Achievement, Task, Values, Goal Orientations and Interest*. Retrieved on 4 February 2010 http://www.sciencedirect.com/science/articles.

Yule, G. (2014). *The Study of Language*. Cambridge: Cambridge University Press.